## LEE M DINWENU, ABIARAM IME UCHE GI ‘F’ 4/4

### CHORUS

(Sop)Ano m ebe a Dinwenu; ano m ebe a Dinwenu, Chukwu, ano m ebe a Dinwenu; Abiara m, abiara m ka m mee Uche Gi.

(Alto)Ano m ebe a Dinwenu; lee m; ebe a Dinwenu, Chukwu, anom ebe a Dinwenu; abiara m, abiara m ka m mee Uche Gi.

(Tenor)Ano m ebe a Dinwenu; Ano m ebe a Dinwenu, lee mo; Dinwenu lee e; ano m, ano m; Abiara m ka m mee Uche Gi.

(Bass)Ano m ebe a Dinwenu; Ano m, lee m; ebe a Dinwenu; lee m Chukwu, lee mo; Abiara m Dinwenu lee, lee mo; ano m, ano m; Abiaram ka m mee Uche Gi.

### VERSES:

1. Echere m; echerem maka Dinwenu; man’Ohulatara ala nuru olu akwa m; O mere kam kwe e ukwe ohuru, bu otito nye Chukwu anyi. *Ch*.
2. I naghi aju maka aja n’onyinye kama o bu obi nke gheroghe; I naghi aju maka aja nsure oku na ihe eji achu ya iji dochie onodu ha, lee m onwe m. *Ch*
3. (Male voices)N’ime nnukwu akwukwo nke apiakotara onu ka edere si na m ga-eme Uche Gi; Chineke m, Iwu Gi di nnukwu uto. *Ch*
4. (Female voices)Ikpe nkwumoto Gi ka m g’ekwuputa n’ihu ndi mmadu; O nweghi mgbe m mechiri onu m; I ma nkea O Gi nwe m! *Ch*.

